NYC Mayor's Office of Immigrant Affairs

# AKỤRỤNGWA MAKA NDI MBATA NỌ NA OBODO NEW YORK

## N'AGBANYEGHI ỌKWA MBATA NA ỌPỤPỤ GI. OBODO NEW YORK NỌ EBE A IJI NYERE AKA.

### Enyemaka Iwu Mbata Na Ọpụpụ

**Maka enyemaka iwu mbata na ọpụpụ n'efu na nchekwa, kpọọ 800-354-0365**, Site na Mọnde ruo Fraide, N'elekere itoolu nke ụtụtụ ruo elekere isii nke mgbede (9AM to 6PM).

### Kaadi Njirimara Obodo New York

**Tinye akwụkwọ maka IDNYC**, kaadị njirimara ime obodo n'efu maka ndị bi na Obodo New York niile dị afọ 10 na karịa. Megharia na intaneti ma ọ bụ mepụta oge idebanye aha, **call 311** ma ọ bụ jee na **nyc.gov/idnyc**

### Klaasị Bekee

Were **Klaasị Bekee n'efu** oge ọ bụla, ebe ọ bụla. Jee na **wespeaknyc.cityofnewyork.us** maka ozi ndi ọzọ.

### Nlekọta Ahuike

**NYC Health + Hospitals (H+H)** nwere ike inye nlekọta mberede, nlekọta ahụike bụ isi, nyocha, ọgwụ mgbochi, na ndị ọzọ. **Kpọọ1-844-NYC-4NYC (1-844-692-4692) ka egosi gị ụlọ ahụike dị gị nso.** Idebanye aha na atụmatụ mkpuchi ahuike, nke gbakwunyere **NYC Care** mmemme kpọọ, **646-NYC-CARE (646-692-2273)** ma ọ bụ jee na **nyccare.nyc**

### Ahụike Uche

Maka nkwado nzuzo yana njikọ na nlekọta ahụike uche yana akụrụngwa eji eme ihe, kpọọ **888-692-9355 ma ọ bụ 988**, ma ọ bụ dee **WELL ga 65173.** Ndi New York nwere ike ị je na **nyc.gov/mentalhealthaccess** maka atụrụngwa ọtụtụ asụsụ na ọrụ ahụike uche na obodo New York, ma ọ bụ jiri akwụkwọ ndekọ aha intaneti obodo New York 988 na **nyc.gov/mentalhealthservices** iji chọta ọrụ ahụike uche.

### Ihe mberede

**N'ihe mberede, kpọọ 911.** Ihe mberede bụ ọnọdụ ọ bụla chọrọ enyem aka ndi uwe ojii,ngalaba ngbaṅyụ ọkụ, ma ọ bụ ụgbọ ihe mberede. **Site n'iwu, ngalaba Ndi Uwe Ojii Obodo New York (New York City Police Department) enweghi ike iju maka ọnọdu mbata na ọpụpụ nke ndi ndị mpụ metụtara, ndi aka ebe, ma ọ bụ ndi ọzọ na-ariọ maka enyemaka.**

### Agụmakwụkwọ Ọha

**Ụmụ ntakiri n'ile si na Obodo New York site na afọ 4 ruo 21 nwere ike ije ụlọ akwkwọ ọha.** I chọro idebanye aha, jee na **schools.nyc.gov/fwc** ma ọ bụ **kpọọ 311.**

### Akụrụngwa na Ọzi Ọbodo N'ile

I chọrọ inweta akụrụngwa obodo ma ọ bụ chọọ ikpesa nsogbu? Kpọọ **311** ma ọ bụ jee na **portal.311.nyc.gov**

### Igwe oku maka ihe gbasara Ndi Mbata nọ na Obodo New York

**Kpọọ ekwenti anyị na 212-788-7654** Site na Mọnde ruo Fraide, N'elekere itoolu nke ụtụtụ ruo n'elekere ise nke mgbede (9AM to 5PM), ma ọ bụ zitere anyị ozi imeelu na **askmoia@cityhall.nyc.gov**

NYC Mayor's Office of Immigrant Affairs

# AKỤRỤNGWA MAKA NDI MBATA NỌ NA OBODO NEW YORK

## AGBANYEGHI ỌNỌDỤ MBATA NA ỌPỤPỤ GỊ, I NWERE IKIKE.

### Zenarị Aghụghọ Mbata Na Ọpụpụ

Ọ bụrụ na ịchọrọ ndụmọdụ gbasara iwu mbata na ọpụpụ, gwa naanị onye ọka iwu nwere ikike ma ọ bụ onye nnọchite anya Ngalaba Ikpe Ziri Ezi (Department of Justice, DOJ) kwadoro. Ị nwere ike ịchọta ndepụta nke ndị na tozuru etozu na ndị amara ama na **nyc.gov/immigrationfraud**

### Ikike dị na Mmanye Mbata na Ọpụpụ

Obodo New York adighi eme mmanye mbata na ọpụpụ. Ọ bụrụ na ndị mmanye mbata na ọpụpụ gọọmentị etiti bịakwutere gị, ị nwere ikike. Jee na **nyc.gov/knowyourrights** ma ọ bụ kpọọ ekwenti iwu mbata na ọpụpụ anyị n'efu na **800-354-0365**

### Ikike ndi Ọrụ

I nwere ikike ikwụ gi ụgwọ ezumike oria, ịkwụ ụgwọ ihe karịrị oge, ụgwọ ọrụ oge na ihe ndi ọzọ n'okpuru iwu obodo New York. Jee na **nyc.gov/workers** maka akụrụngwa ma ọ bụ kpọọ **212-436-0380**

### Kpesa maka Ikpa oke

Mmaja na ikpa oke bu ihe na-akwadoghi n'okpuru Iwu Ikike Mmadu na Obodo New York. I chọrọ ikpesa maka ikpa oke, biko kpọọl **212-416-0197** ma ọ bụ jee na **nyc.gov/reportdiscrimination**

### Nchedo Mmegide Ime Ihe Ike N'ụlọ

Obodo New York nọ ebe a inyere gi aka ma ọ bụrụ na ina-enwe mmegbu. I nwere ike jee na **nyc.gov/nychope** ma ọ bụ kpọọ ekwenti ndi na-ahụ maka mmegide n'eme n'ụlọ na obodo New York na **800-621-HOPE**

### Ikike ndi Bi N'ụlọ

I chọrọ enyemaka gbasara ihe ịchụpụ n'ụlọ ma ọ bụ onye nwe ụlọ gi? Jee na **nyc.gov/tenantprotection** ma ọ bụ kpọọ **311** ma kwuo **"tenant helpline" (ekwenti enyemaka onye bi n'ụlọ)** maka enyemaka iwu n'efu

### Ikike Ndo

I nwere ikike iriọ aririọ ebe obibi ma ọ bụrụ na ị nweghi ebe obibi. Nweta ọrụ ndo site ije leta ebe ndi Ngalaba Nke Ọrụ Enweghị Ebe Obibi (Department of Homeless Services, DHS) ahọpụtara. Mụtakwuo site n'ikpọ **311**

### Nchebe Ndi Ahia

I nwere nsogbu na azụmahia? Dika onye ahia, i nwere ikike. Tinye akwụkwọ mkpesa site n'iga na **nyc.gov/consumers** ma ọ bụ kpọọ **311**